# MKPỌNIMI N'ASỤSỤ IGBO

**Atowa N. Chinwe**
Department of Igbo language
Federal College of Education, Yola
+234803 618 1684
&
**Igbeaku C. Benjamin**
Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian Languages
University of Nigeria, Nsukka
+234803 315 6026, +234703 669 7152
benjaminigbeaku@gmail.com

**ABSTRACT**

Speech sound is the minimal identifiable distinct segments of sound that occurs in speech. All the speech sounds we make when we speak are the result of muscles contracting. The muscles in the larynx produce many different modifications in the flow of air which goes through vocal tract and it obligatorily ends at the mouth and nostrils as either oral or nasal sound. Premised on this movement of air from diaphragm to oral or nasal cavities, this study investigates nasalised consonant sound in the Igbo language. It specifically examines the controversy surrounding the existence of nasalised consonant sound in Igbo and the degree of its manifestation in relation to Orlu dialect of Igbo. The data used in this study were gathered through oral interview using three native speakers of the dialect. This research, therefore, found out that nasalised sound is not in the phonological inventories of the Standard Igbo orthography. It also found out that nasalised sound is a distinctive speech sound in Orlu variety of Igbo. Nasalised sound is not associated with vowel sounds in the Orlu variety of Igbo. However, this nasalised phonological trait is evident in consonant sounds of the dialect of the study. Some of the observed consonant sounds that collocate with nasalised symbols in Orlu are: /r, d, v, z, ɦ, s/. In addition, inferences from the analyses show that some of these nasalised sounds in Orlu form minimal pairs with the Standard Igbo as shown below: /ź ɔ/ and /z̃ɔ/, /ɦá/ and /ɦ̃á/, /rá/ and /r̃á/, /sá/ and /s̃á/. This study recommends the inclusion of nasalised sound in the phonological inventories of the Standard Igbo language; it is a distinctive sound in Orlu variety of the Igbo language.

www.ijaasng.com

## Ụmị

Ụdaasụsụ bụ ntakịrị ọpụrụiche mkpụrụụda nke a na-ezipụta mgbe a na-akpọpụta ụda. A na-enweta mkpụrụụda niile anyị na-ezipụta mgbe anyị na-ekwu okwu site na mmekọrịtan njịakpọ ụda. Site na njem ikuku ka ọgwọọrọ ji ezipụta ụda dị iche iche nke na-esite n'ọwa ikuku akpọmụụda kwụsị n'ọnụ na n'imi dị ka ụdaọnụ ma ọ bụ ụdaimi. N'ihi njem ikuku a nke na-esite n'akpa ikuku ruo n'uji ọnụ ma ọ bụ uji imi ka ederede a ji eleba anya na mkpụrụụda mkpọnimi

bụ mgbochiume n'Igbo. Mbunuuche nchọcha bụ ileba anya na nghọtahie e nwere n'ọdịdị mkpọnimi n'Igbo dị ka o siri metuta olundị Orlu (Ọlụ) nke dị n'Imo Steeti. E nwetere ngwa ọrụ e jiri rụọ ọrụ na nchọcha a site n'ajụjụ ọnụ ndị nchọcha gbara mmadụ atọ ndị bụ ndị Ọlụ ma bụrụkwa ndị asụsụ epum ha bụ Ọlụ. Nchọcha a chọpụtara na mkpọnimi adịghị n'Igbo izugbe. Ọ chọpụtakwara na mkpọnimi bụ ọpụrụiche mkpụrụ ụda n'Ọlụ. Ederede a gara n'iru chọpụtakwa na ọ bụ naanị mgbochiume na-ebu akara mkpọnimi n'Ọlụ. Ụdaume anaghị ebu akara mkpọnimi n'Ọlụ. Ụfọdụ mkpụrụ ụda a chọpụtara na-enwe mkpọnimi n'asụsụ e jiri mee nchọcha a gụnyere: /r, d, v, z, ɦ, s/. Ụfọdụ mkpọnimi ndị a chọpụtara n'Ọlụ na-ebute mkpịiche n'ime mkpụrụ okwu ole na ole e nwere n'Igbo izugbe na olundị Ọlụ. Ndị dị ka: /źɔ/ na /z̃ɔ/, /ɦá/ na /ɦ̃á/, /rá/ na /r̃á/, /sá/ na /s̃á/ bụ mkpịiche. Ntinyeuche ederede a bụ na ọ dị mkpa ịhụ na atinyere mkpọnimi n'Igbo izugbe iji mee ka mkpụrụ ụda ndị a pụrụiche bata n'asụsụ Igbo.

## 1.0 Mkpolite

1.0 Mkpolite

Asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu. Mkpụrụụda e nwere n'Igbo dị ọtụtụ. Tupu ihe e kwuru ma ọ bụ e dere n'asụsụ Igbo enwee nghọta, a ga-enweriri ezi mmekorita n'etiti mkpụrụụda dị iche iche mebere mkpụrụ okwu ma ọ bụ ahịrịokwu a na-ezipụta. Mkpọnimi bụ otu n'ime ụda asụsụ Igbo. Ọ na-eleba anya na mkpụrụụda ndị a na-akpọpụta mgbe ọdụakpo gbadatụrụ ala iji mee ka ikuku na-esi ma n'ọnụ ma n'imi apụ. Mbunuuche nchọcha a bụ ịchọpụta mkpọnimi e nwere n'asụsụ Igbo. Ọ ga-eme nke a site n'igbakwasa ụkwụ na mkpụrụụda iri atọ na isii e nwere n'Igbo i ji chọpụta ma mkpọnimi ọ dị n'ime ha. Nchọcha a bukwa n'uche ileba anya n'olundị Ọlụ dị ka otu n'ime olumba e nwere mkpọnimi n'ime olundị dị iche iche a na-enweta mkpọnimi na ya n'asụsụ Igbo.

www.ijaasng.com

Ihe kpalitere mmụọ ndị ome nchọcha a bụ ndị kwe na ndị ekweghị e nwere banyere ọdịdị mkpọnimi n'asụsụ Igbo nke butere nlegara anya a na-elegara mkpụrụụda mkpọnimi n'amụmamụ Igbo. N'ihi ya, nchọcha a ga-agbakwasa ụkwụ na mkpụrụụda mgbochiume e nwere mkpọnimi n'Igbo na ọnọdụ ikuku mgbe a na-akpọpuụta ha. Mkpụrụụda asụsụ bara nukwu uru n'amụmamụ Igbo mana ụfọdụ ndị na-eme amụmamụ n'asụsụ Igbo na-enwe ihe nhịahụ n'ihe banyere ụdaasụsụ Igbo tụmadị ebe mkpọnimi dị. Ụfọdụ amaghị ndịiche e nwere n'etiti ụdaimi na mkpọnimi. Ha na-ewere mkpọnimi dị ka ụdaimi na amaghị na ha abụọ bụ ọpụrụiche mkpụrụụda asụsụ nke nwere ọnọdụ dị iche iche ha na-anọ ebe njiakpọ dị mgbe a na-akpọpụta nke ọ bụla n'ime ha. Nchọcha a ga-eme ka ndị a na-enwe nsogbu n'ihe banyere mkpọnimi asụsụ Igbo bụrụ ọkaibe na ya. Ọ ga-eme nke a site n'izipụta mkpụrụụda ndị bụ mkpọnimi n'olundị e jiri mere ihe nchọcha a ma gosipụtakwa ọnọdụ njiakpọ na mkpọpụta mkpọnimi n'Ọlụ. Nchọcha ga-abakwa uru n'amụmamụ Igbo tụmadị n'ebe ụdịdị ụdaasụsụ na ọdịdị ụdaasụsụ Igbo dị. Ọ ga-enye aka ịchọputa na o nwere mkpụrụụda dị mkpa kwesiri ịdị n'asụsụ Igbo mana ọ dịghị. Nke a ga-eme na mgbe ọzọ a ga-emegharị mkpụrụụda Igbo ka e nwee ike itinye mkpọnimi na ya. Ndị nkuzi, ụmụ akwụkwọ na ndị ihe banyere asụsụ Igbo na-amasị ga-ejikwa ihe a chọpụtara na nchọcha a rụọ ọrụ n'amụmamụ asụsụ Igbo.

Ndị nchọcha nwere ihe nramahụ dị iche iche mgbehaọ na-eme nchọcha a. Nke mbụ, ha abụghị ndị Ọlụ. N'ihi ya, ọ hịara ha ahụ inweta ndị Ọlụ ha gbara ajụjụ ọnụ. Ndị nchọcha nwekwara ihe nhịahụ n'ịkpọpụta mkpụrụụda mkpọnimi n'olu Ọlụ dị ka ndị ọ bụ epum ha siri akpọ ya. Mkpọpụta mkpọnimi a bụrụ ezigbo nsogbu, ọ bụladị mgbe ndị a gbara ajụjụ kpọpụtara ya ugboro ugboro. Izipụta akara mkpọnimi n'igwe ome ka mmadụ (*computer*) bụkwara ihe nhiahụ ndị nchọcha zụtakwara n'ụzọ n'ederede a. Ndị nchọcha gafechara ihe nhịahụ ndị a niile site n'ịgbakịrị ala gaa ebe dum ndị ọkachamara n'ụdaasụsụ gwara ha gaa ma meekwa ihe niile ha sịrị ha mee. Ederede a nwere nkeji ise dị obosara: mkpalite nchọcha, ntulegharị agụmagụ. Atọ bụ Usoro nchọcha na ntụcha ngwa ọrụ ebe nke anọ bụ nkọwasị ngwa ọrụ nchọcha. Nke ikpeazụ bụ nchịkọta na mmechi nchọcha.

## 2.0 Ntulegharị agụmagụ

A hazịrị mpaghara a n'ụzọ ndị a: nnyocha atụtụ, ntulegharị isiokwu, atụtụ nchọcha na nchikọta ntulegharị agụmagụ.

## 2.1 Nnyocha atụtụ


Mkpụrụụda asụsụ Igbo dị iri atọ na isii. Ụzọ abụọ pụtara ihe n'ụdaasụsụ Igbo ederede a lebara anya na ha bụ ụdaume na mgbochiume.

### 2.1.1 Mkpụrụ ụda asụsụ ụdaume Igbo izugbe

Ụdaume Igbo bụ mkpụrụụda asụsụ ndị anaghị enwe mgbochibido ikuku mgbe a na-akpọpụta ha. Ọdụakpo na-agbago elu ebe ikuku na-esi n'ọnụ apụta. Mkpọụda na-ama jijiji na mkpọputa ụdaume niile n'ihi na ha bụ ụda ọnụ ma bụrụkwa ụdampụta. Igbo nwere ụdaume asatọ: /a.e,i,ị,o,ɔ,u,ʊ/. E kewara ya ụzọ abụọ dị ka ha siri dịrị na mkpọpụta: ±MUI (Mkpọga Ukwu Ire). Na Bekee, ọ pụtara: ±*ATR* (*Advanced Tongue Root*). Ụdaume nke nwere akara a '+' ka a na-akpọ ụdaume nnwee Mkpọga Ukwu Ire ebe nke akara ya bụ '-' bụ ụdaume enweghị Mkpọga Ukwu Ire. Na mkpọpụta +MUI, ukwu ire na-agbatị iji mee ka akpọpụta ụda ka o kwesiri na ọ ga-adị ebe nke bụ –MUI na-enwe ndọla ukwu ire na mkpọpụta. +MUI bụ ụdaume arọ ebe –MUI bụzị ụdaume mfe. Ụdị ụzọ abụọ a gụnyere:

| [+MUI] | | [-MUI] | |
|---|---|---|---|
| i | u | ị | ʊ |
| e | o | a | ɔ |

Lee anya n'ukpuru make eserese chaatị ụdaume Igbo izugbe.
Tebulu 1 Sitere n'Anozie (1999:70)




Tebulu 1 na-egosipụta ọnọdụ mkpụrụụda ụdaume mgbe a na-akpọpụta ha. Chaatị a zipụtara ụdaume asatọ ma gosipụtakwa ndị bụ ụdaume ihu na azụ. Igbo izugbe enweghị ụdaume etiti. Ọ bụ naanị n'olumba dị iche iche dị ka Nsụka ka e nwere ike inweta ụdaume etiti n'Igbo. Chaatị a gosikwara ọnọdụ akpịrị mgbe a na-akpọpụta mkpụrụụda ụdaume site n'izipụta ka akpịrị si atachi, atachitu, eghetu na eghezu. Otu ọnụ si ajasa ma ọ bụ adị okirikiri pụtakwara ihe na chaatị a.

www.ijaasng.com

### 2.1.2 Mkpụrụ ụda asụsụ mgbochiume Igbo izugbe

Mgbochiume Igbo bụ mkpụrụụda ndị na-enwe mgbochibido ikuku mgbe a na-akpọpụta ha. Ụfọdụ n'ime ha bụ ụda mpụta ebe ndị ọzọ bụ ụda enweghị olu ma ọ bụ ụda ogbi. Mkpọụda na-ama jijiji mgbe a na-akpọ ụdampụta. Mgbochiume Igbo dị iri abụọ na asatọ n'ọnụọgụ. Ebe mgbakwasa ụkwụ na mgbochiume bụ ebe mkpọpụta na ọdịdị mkpọpụta. Lee eserese chaatị mgbochiume Igbo izugbe na tebulu 2 dị n'okpuru.

Tebulu 2

| Ebe<br><br>Ọdịdị | Egbugbere Ọnụ | Egbugbere na eze | Anyụrụ | Anyụrụ na akpo | Akpoike | Egbugbere Na ọdụakpo | Ọdụakpo | Eko Akpịrị |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| Ụdaike | p b | | t d | | | $k^w$ $g^w$ | k g | |
| Ụdashii | | f v | s z | ʃ | | | ɣ | ɦ |
| Ụdachii | | | | tʃ ʤ | | | | |
| Ụdaimi | M | | n | | ɲ | $ŋ^w$ | ŋ | |

| | | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| Ụdaike ndakpo | kp gb | | | | | | | |
| Ụdalịị | | | l | | | | | |
| Ụdarịị | | | r | | | | | |
| Ụdawịị/yii | | | | | j | | w | |

Sitere n'Anagbogu, Mbah na Eme (2010:138)

Chaatị mgbochiume a na-egosipụta ebe na ọdịdị mkpọpụta mkpụrụụda mgbochiume Igbo izugbe. Na chaatị a, ebe mkpụrụụda dị abụọ, nke nọ n'aka nri bụ ụdampụta ebe nke nọ n'aka ekpe bụ ụda enweghị olu ma ọ bụ ụda ogbi.

## 2.2 Ntuleghari̩ isiokwu

Ndị mere nchọcha banyere mkpọnimi n'asụsụ Igbo pere ezigbo mpe. Mkpọnimi bụ ụdịrị ụdaasụsụ nke a na-akpọpụta mgbe ọdụakpo gbadara ala nye oghere ka ikuku nwee ike isi ma n'ọnụ ma n'imi pụọ. N'agbaghị na obere ikuku nwere ike isi n'imi pụọ na mkpọpụta mkpọnimi, mkpọnimi bụ ụda ọnụ maka ọdụakpo na-agbago elu na mkpọpụta mkpọnimi. Ụda ọnụ bụ mkpụrụụda ndị ahụ a na-akpọpụta mgbe ọdụakpo gbagoro elu iji mechie ọwa ikuku akpọmụda ka ọ ghara isi n'imi pọụ. E nwere mkpọnimi ụdaume na mgbochiume n'asụsụ dị iche iche. Ikekeonwu (1984:13) kọwara na "mkpọnimi nwere mmetụta ebe ụdaume dị karịa na mgbochiume dị ka o siri metụta asụsụ dị iche iche. Naanị asụsụ ole na ole ka a na-enweta mgbochiume dị ka mkpọnimi". Obi (1997) rụrụ ụka na mkpọnimi ka pụta ihe n'ụdaasụsụ mgbochiume karịa ụdaume. O mere nke a site n'ileba anya na mkpọnimi e nwere n'olundị Osuowere nke dị n'Imo Steeti. Ọ chọpụtara ihe ndị a:

| 1. | **Igbo izugbe** | **Osuowere** | **English gloss** |
|---|---|---|---|
| i. | /sá/ | /sá/ | be large/flat |
| ii. | /sá/ | /s̃á/ | wash/bathe |
| iii. | /sɔ̀/ | /sɔ̀/ | allergic to/avoid |
| iv. | /sò/ | /s̃ò/ | follow |
| v. | /sí/ | /ʃí/ | cook |
| vi. | /sí/ | /ʃ̃í/ | warn/complain to |
| vii. | /ɦʊ́/ | /ɦʊ́/ | cut (with a knife) |
| viii. | /ɦʊ́/ | /ɦ̃ʊ́/ | roast |
| iv. | /rá/ | /rá/ | lick |
| v. | /rá/ | /r̃á/ | have seụ |

www.ijaasng.com

N’otu aka ahụ, Okorji (1999) lebara anya na mkpọnimi e nwere n’olundị Umuchu. Nchọcha ya na-egosi na mkpọnimi pụtara ihe n’olundị Umuchu na mgbochiume. O zipụtara ụfọdụ ihe ịma atụ na nchọcha ya dị ka:

| 2. | Igbo izugbe | Umuchu | English gloss |
|---|---|---|---|
| i. | /vʊ̀/ | /vʊ̀/ | uproot |
| ii. | /vʊ̀/ | /ṽʊ̀/ | hatch (eggs) |
| iii. | /sʊ̀/ | /sʊ̀/ | wash |
| iv. | /sʊ̀/ | /s̃ʊ̀/ | cut (grass) |
| v. | /zʊ̀/ | /zʊ̀/ | buy |
| vi. | /zʊ̀/ | /z̃ʊ̀/ | train or breed |
| vii. | /sìé/ | /ʃié/ | cook |
| viii. | /sìé/ | /ʃ̃ié/ | smell or rub |
| iv. | /zìé/ | /ʒìé/ | deliver (a message) |
| v. | /zìé/ | /ʒ̃ìé/ | blow (nose) |
| vi. | /ɦá/ | /ɦá/ | they |
| vii. | /ɦá/ | /ɦ̃á/ | make rain |
| viii. | /ré/ | /ré/ | sell |
| viv. | /ré/ | /r̃é/ | burn |

Nchọcha Obi (1997) na Okorji (1999) na-egosi na mkpọnimi dị ka o siri pụta ihe n’ịma atụ 1 na 2 bụ mkpụrụụda pụrụiche na mkpụrụụda Igbo izugbe. Ọ bụkwa n’ime mgbochiume ka mkpọnimi ndị e zipụtara pụtara ihe karịa n’ụdaume dị ka Ikekeonwu (1984) siri zịpụta. Nchọcha ndị a bara uru n’isiokwu a n’ihi na ha dum na-eleba anya na mkpọnimi kama ha dịkwa iche n’ihi na ọ bụghị n’otu olundị ka ha niile na-amụ maka ya. Obi (1997) bụ maka Osuowere, Okorji (1999) bụ Umuchu. Isiokwu a na-eleba anya n’Igbo izugbe na olundị Ọlụ nke dị n’Imo Steeti. Nkamigbo (2014) mere nchọcha banyere mkpọnimi. Na nchọcha ya, ọ chọpụtara na mkpọnimi bụ mkpụrụụda nọrọ onwe ya. Mkpụrụ ụda ndị a bụ naanị n’olumba ka ha dị. O kwuru ka emegharịa Igbo izugbe iji mee ka mkpụrụụda ndị pụrụiche adịghị na ya nwee ike ịdị n’Igbo izugbe.

## 2.3 Atụtụ nchọcha

N’amụmamụ ụda, mkpọnimi bụ ụda ndị ahụ a na-akpọpụta mgbe ọdụakpo gbagoro elu obere iji mee ka ikuku ụfọdụ dị ntakịrị si n’imi were pụọ. Dị ka o siri dịrị na mkpụrụụda otu IPA (*International Phonetics Alpabet*), akara e ji ezipụta mkpọnimi bụ ‘˜’. Ndị Bekee kpọrọ ya ‘*tilde*’. A na-etinye akara a n’elu mkpụrụụda ọ bụla bụ mkpọnimi n’asụsụ dum dị n’ụwa gbaa gburugburu. Mkpọnimi nwere ike ịpụta ihe n’ụdaume ma ọ bụ mgbochiume dị ka asụsụ a na-ele

www.ijaasng.com

anya siri dịrị. Asụsụ ndị dị ka Frenchi, Pọlish, Breton ka a na-enwetakarị mkpọnimi ndị bụ ụdaume.

N'imerime asụsụ ndị mba ụwa, mkpọnimi na-apụta ihe na mkpụrụụda mgbochiume ọ kachasị ebe ụdaimi dị dị ka /m,n,ɲ/ nọ. Igbo izugbe enweghị mkpọnimi n'ime mkpụrụụda iri atọ na isii e nwere. Ọnụọgụ mkpụrụ edemede na mkpụrụụda e nwere n'Igbo ha nhatanha. Ma n'ime ha niile, o nweghị nke bụ mkpọnimi. Dị ka o siri dịrị n'asụsụ Igbo, naanị ebe a na-enweta ihe yitere mkpọnimi bụ naanị na mkpụrụụda ise bụ ụdaimi: /m,n,ɲ,ŋʷ,ŋ/. Na mkpụrụụda ndị a yiri mkpọnimi, agaghị eme ka anyị were ha dị ka mkpọnimi. Naanị ebe a na-enweta mkpọnimi bụ n'olundị dị iche iche e nwere n'asụsụ Igbo. Ụfọdụ olundị dị ka Aba, Ngwa, Owere, Umuchu, Ọlụ nwere mkpọnimi n'ime mkpụrụụda asụsụ ha.

Mkpọnimi ndị a bụ na mgbochiume ka ha na-apụtakarị ihe. N'ime olundị nwere mkpọnimi n'Igbo, o nweghị nke mkpọnimi pụtara ihe n'ime mkpụrụụda bụ ụdaume. Na mkpọpụta mkpọnimi niile, ikuku na esite na ngụ na-esi ma n'ọnụ ma n'imi apụ n'ihi na ọdụakpo nke na adị n'akpo na-agbada agbada obere. Ọ gbadaa ala, ụfọdụ ikuku ga-esi n'imi ebe ndị ọzọ ga-esi n'ọnụ were pụọ.

## 2.4 Nchikọta ntulegharị agụmagụ.

Na ntulegharị agụmagụ a, ederede a chọpụtara na mkpọnimi bụ otu n'ime ụdaasụsụ Igbo. Ọ chọpụtakwara na mkpọnimi adighị n'asụsụ Igbo izugbe. Nke a pụtara ihe n'ime chaatị udaume na mgbochiume e sere na tebulu 1 na 2. Naanị ebe ole na ole e nwetara mkpọnimi bụ n'olundị dị iche iche dị ka Osuowere na Umuchu. Nke a mere ka o doo anya na mkpọnimi ndị e nwere n'olundị Igbo bụ naanị na mgbochiume ka ha dị. Ntulegharị agụmagụ a zipụtara mkpa ọ dị iwebata mkpọnimi n'Igbo izugbe n'ihi na ọ bụ ọpụrụiche mkpụrụụda asụsụ Igbo.

www.ijaasng.com

## 3.1 Usoro nchọcha na ntụcha ngwa ọrụ

Usoro a gbasoro mee nchọcha a bụ usoro nkọwa. Umo na Ezema (2007) kọwara usoro nkọwa dị ka ụdịrị usoro e ji ezipụta ngwa ọrụ nchọcha site n' ịkọwa ngwa ọrụ ebe ọ dị ukwuu dị ka o siri metụta nchọcha ọchacha na-eme. Anyị gbasoro usoro nkọwa mee nchocha a site n'izipụta ma kọwaa mgbochiume ndị bụ mkpọnimi n'Ọlụ. Ọ bụ mkpọnimi ndị a e nwere n'Olundị Ọlụ ka e jiri mee nchọcha a. N'ihi ya, mmadụ atọ bụ ndị Ọlụ ma bụrụkwa ndị asụsụ epum ha bụ olumba Ọlụ ka e jiri mee nchọcha a. Ebe a gbakwasara anya n'asụsụ ha bụ ebe dị iche iche e nwere mkpọnimi mgbe ha na-asụ asụsụ ha. Mmadụ atọ a bụ Ume, Fabian nke dị afọ iri ise na abụọ ma bụrụ onye Okporo dị n'Ọlụ. Onye nke abụọ bụ Iloha, Michael Ogbonna. Ọ dị afọ iri anọ na asaa. Ọ bụ onye Amụcha dịkwa n'Ọlụ. Onye ikpeazụ bụ Iwuji, Obiageli. Ọ dị afọ iri anọ na atọ ma bụrụkwa onye Ụmụeshi n'Ọlụ. A mụrụ mmadụ atọ ndị a n'Ọlụ. Ha nọkwa ebe ahụ too.

## 4.1 Nkọwasị na ntụcha ngwa ọrụ

E depụta ma kọwaa ngwa ọrụ e jiri rụọ ọrụ na nchọcha a na nkeji a. Ngwa ọrụ ndị e jiri mee nchọcha a sitere n'olundị Ọlụ nke dị n'Imo Steeti. Ụfọdụ n'ime ngwa ọrụ ndị a bụ:

| 3. | Igbo izugbe | Ọlụ | English gloss |
|---|---|---|---|
| i. | /árá/ | /ár̃á/ | breast |
| ii. | /éró/ | / ér̃ó/ | mushroom |
| iii. | /ḿv́ɔ/ | /ḿv́ɔ/ | nail |
| iv. | /ḿv́ɔ/ | /ḿṽ́ɔ/ | comb |
| v. | /ɗɔ/ | /ɗɔ/ | rest on the ground |
| vi. | /ɗɔ/ | /ɗɔ/ | drag something (land) |
| vii. | /źɔ/ | /źɔ/ | safe |
| viii. | /źɔ/ | /z̃ɔ/ | transplant |
| iv. | /dʊ́/ | /dʊ́/ | survive |
| v. | /dʊ́/ | /dʊ́/ | pluck (mango) |
| vi. | /zá/ | /zá/ | answer |
| vii. | /zá/ | /z̃á/ | sweep |
| viii. | / ɦʊ́/ | / ɦʊ́/ | see |
| viv. | / ɦʊ́/ | /ɦ̃ʊ́/ | roast (yam) |
| vv. | /ɦá/ | /ɦá/ | they |
| vvi. | /ɦá/ | /ɦ̃á/ | make/prevent rain |
| vvii. | /rá/ | /rá/ | lick (orange) |
| vviii. | /rá/ | /r̃á/ | intercourse |
| viv. | /sá/ | /sá/ | make enlarge |
| vv. | /sá/ | /s̃á/ | mop up (floor) |

www.ijaasng.com

Na ngwa ọrụ ndị a dị n'elu malite na 3i – ụụ, e zipụtara ka ha siri kwụrụ dị ka ndị bụ Igbo izugbe, olundị Ọlụ na mpụtara ha na Bekee. Deta 3i – ii dị ka ha siri dịrị n'Ọlụ na-egosi na e nwere mkpọnimi n'elu mgbochiume bụ mkpụrụ ụda /r/. Na mkpọpụta ngwa ọrụ ndị a, /r/ na-ebu akara mkpọnimi iji gosipụta ndịiche e nwere n'olundị Ọlụ na Igbo izugbe. Ọdụakpo na-agbago elu na mkpọpụta mkpụrụụda /r/ dị ka mkpọnimi. Na ngwa ọrụ 3iii na iv tinyere v na vi, e nwere mkpọnimi na ngwa ọrụ 3iv na vi mana e nweghị ya na 3iii na v. Mkpọnimi a mere ka e nwee ndịiche pụtara ihe n'etiti ngwa ọrụ 3iii na iv na kwa 3iv na v. Mkpọnimi dị n'olundị Ọlụ mere ka e nwee mkpịiche pụtara ihe n'etiti 3iii na 3iv tinyere 3v na vi.

Ngwa ọrụ a /źɔ/ na nke a /z̃ɔ/ na-ezipụta ndịiche na mpụtara ịzọ mmadụ ndụ na ịz̃ọ ihe n'ubi. A naghị enwe mkpọnimi mgbe a na-ekwu maka ịzọ mmadụ ndụ mana mkpọnimi na-apụta ihe mgbe a na-ekwu maka ịz̃ọ ihe n'ubi dị ka ndị Ọlụ siri ezipụta ha. N'ihi ya, mkpụrụ ụda /z/ na-ebu akara mkpọnimi n'ịz̃ọ ihe n'ubi ebe nke ọzọ anaghị ebu akara mkpọnimi. Ngwa ọrụ 3iụ na ụ na-egosikwa ndịiche mgbe a na-ekwu maka mmadụ ịdị ndụ na ịghọta ihe ubi dị ka oroma. 3iụ ebughị akara mkpọnimi ebe mkpụrụ ụda /d/ na 3ụ bu akara  kpọnimi. Ngwa ọrụ 3ụii, ụiv na ụvi nwere mkpọnimi ebe 3ụi, ụiii na ụv bụ Igbo izugbe. Ndịiche e nwere n'etiti 3ụi na ụii bụ akara mkpọnimi etinyere na mkpụrụụda /z/ na ngwa ọrụ 3ụii. Otu a ka ọ dịkwa ebe 3ụiii na ụiv dị. Akara mkpọnimi mere ka ngwa ọrụ 3ụi na ụii, 3ụiii na ụiv na kwa 3ụv na ụvi bụrụ mkpịiche n'etiti onwe ha.

Mkpọnimi pụtakwara ihe na ngwa ọrụ 3ụviii na 3ụụ. Mgbochiume dị na ngwa ọrụ ndị a bugbado akara mpkọnimi. Ebe mgbochiume e nwere na ngwa ọrụ 3ụvii na ụiụ enweghị nke nwere mkpọnimi. Otu ihe pụtara ezigbo ihe n'ime nchọcha a bụ na ọ bụ naanị na mkpụrụụda mgbochiume ka a na-enweta mkpọnimi ebe ọdụakpo na-arị elu iji gosipụta ndịiche mkpọnimi nwere n'ebe ụdaimi dị . Ọzọ kwa, mkpọnimi na-ebutekwa mkpịiche n'etiti mkpụrụokwu abụọ dị ka ha siri pụta ihe n'ọtụtụ ngwa ọrụ ndị anyị rụtụrụ aka na nchọcha a. Ọ dị mkpa ịrụtụ aka na mkpọnim ndị a pụtara ihe n'ime ngwa ọrụ ndị a bụ naanị ebe e nwere olundị Ọlụ. Mgbe ọ bụla a na-akpọpụta ngwa ọrụ ndị dị n'Igbo izugbe, anaghị enwe mkpọnimi. Nke a gosiri na mkpụrụụda mkpọnimi adịghị n'Igbo izugbe. Ọ bụ naanị n'Ọlụ ka ederede a zipụtara mkpọnimi ole na ole nke pụtara ihe na ngwa ọrụ ndị a kọwarala.

## 5.1 Nchịkọta na mmechi nchọcha

## 5.1 Nchịkọta

Nchọcha a lebara anya n'ihe banyere mkpọnimi dị ka otu n'ime ụdaasụsụ e nwere n'Igbo tụmadị ka o siri metụta olundị Ọlụ. O lebakwara anya n'ọdịdị njiakpọ mgbe a na-akpọpụta mkpọnimi. Na nchọcha a, anyị chọpụtara na mkpọnimi adịghị n'Igbo izugbe. Naanị ihe Igbo izugbe nwere bụ ụdaimi nke ụfọdụ n'ime ha na-eyitatụ mkpọnimi mana ha abụghị mkpọnimi. Ederede a chọpụtara na e nwere mkpọnimi n'olundị Ọlụ. N'olundị Ọlụ bụ nke e jiri mere ihe mgbakwasa ụkwụ, nchọcha a chọpụtara na mkpọnimi na-apụta ihe naanị ebe mkpụrụụda mgbochiume dị. Ụdaume anaghị ebụ akara mkpọnimi n'Ọlụ. Ụfọdụ mkpụrụụda a chọpụtara na-ebu akara mkpọnimi bụ /r, v, d, z, ɦ, s/. Nchọcha a chọpụtakwara na mkpọnimi bụ ụda ọnụ n'ihi na ọdụakpo na-agbagotu elu mgbe a na-akpọpụta mkpọnimi. Ọdụakpo anaghị agbago kpamkpam. Nke a mere na nukwu ikuku na-esi n'ọnụ apụ ebe obere ikuku na-esizi n'imi apụ nke na-eme na mkpọnimi na-eyitetu ụdaimi mgbe a na-akpọpụta ya. Nke a gosiri na mkpọnimi bụ ụda ọnụ ma bụrụkwa ụdaasụsụ dị iche n'ụdaimi.

## 5.2 Mmechi

Na mmechi, mkpọnimi bụ mkpụrụụda pụtara ihe n'asụsụ mba ụwa dị iche iche dị ka Frenchi, Yoruba, Pọlish. Ọ bụghị naanị n'asụsụ Igbo ka e nwere mkpọnimi. Mkpọnimi bụ mkpụrụụda pụrụ iche n'asụsụ Igbo tumadị ka o siri metụta olundị dị iche iche ọ na-apụta ihe na
Ya dị ka Ọlụ. N'ihi ya, ọ bụ ọpụrụiche mkpụrụụda n'asụsụ Igbo nke mere na ọtụtụ n'ime ha na-ebute mkpịiche n'etiti ha na mkpụrụụda ole na ole e nwere n'Igbo izugbe. Ọ dị mkpa ime ka aghọta na mkpọnimi bụ mkpụrụụda pụtara ihe n'asụsụ Igbo. N'ihi ya, ntinyeuche ndị nchọcha bụ na o kwesiri ka etinye mkpọnimi n'ime mkpụrụụda Igbo izugbo. Ime nke a ga-eme ka mkpọnimi bata na chaatị mkpụrụụda mgbochiume Igbo maka na o nwere ndịiche ọ na-ebute n'okwu ebe ọ bụla ọ batara n'asụsụ Igbo.

**Nrụmaka**


Anagbogu, P. N., Mbah, B. M. & Eme, C. A. (2010). *Introduction to linguistics*. Awka: J. F. C. Limited.

Anozie, C. C. (1999). *Linguistiiki sayensi asụsụ*. Nsukka: Fulladu Publishing Company.

Ikekeonwu, C. (1984). Contrastive consonant nasalization in Igbo. *Afrika und Ubersee,* Band 69, Heft 2.

Nkamigbo, L. C. (2014). Nasalization, aspiration and labialization in Igbo dialect phonology. *SKASE Journal of Linguistics*, 11, 2, 59 – 67.

Obi, E. M. C. (1997). *The domain of nasalization and aspiration in Osuowere*. Ederede B.A. Mahadum Naijirịa, Nsụka.

Okorji, R. I.. (1999). Modification of some consonantal segments in Umuchu dialect of Igbo: A phonemic evaluation. *Nsukka Journal of the Humanities*, 10, 227-236.

Umo, C. U. & Ezema, H. (2007). *Mkpanaka nchọcha n'Igbo*. Nsukka: Paschal Communications.


www.ijaasng.com